Nsogbu Ndị A Na-Ahụta Mgbe A Na-Atụgharị Akụkọ Ụwa N'ụlọọrụ Mgbasa Ozi: Dream Fm Enugwu Steeti Dị Ka Ebe Mgbado Ụkwụ Nke

Ezebuilo, Comfort Nwuka (Ph.D)
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
E-mail address: comfort.ezebuilo@unn.edu.ng
GSM: 08062710168
Na
Eze Augustina Ngozi (Ph.D)
Department of Lingusitics, Igbo and Other Nigerian Languages,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail: augustina.ngozi@unn.edu.ng
GSM: 08062431825

Ụmị edemede

Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nsogbu ndị a na-ahụta mgbe a na-atụgharị akụkọ ụwa n'ụlọọrụ mgbasa ozi. Ọ gbadoro ụkwụ n'ụlọọrụ mgbasa ozi Dream FM nke dị na steeti Enugwu. Ndị nchọcha ejighị atụtụ ọbụla kama e ji usoro nkọwa iji hụ na-akọwapụtagasịrị ihe ndị ahụ na-enye nsogbu na ntụgharị dịka ha siri dị. A gara n'ihu depụta nsogbu ndị ahụtara ma nye ọsịsa ajụjụ nchọcha a ajụgasịrị. Ọ bụ akụkọ ụwa ndị ewetara n'ụlọọrụ mgbasa ozi Dream FM ka e ji mee nchọcha. Ọ bụ akụkọ ụwa ndị enyegasịrị site n'ọnwa Oktoba afọ puku abụọ na iri na isii rue n'ọnwa Jenụwarị afọ puku abụọ na iri na asaa ka e ji rụọ ọrụ, Akụkọ ụwa nke e dere n'asụsụ Bekee dịka asụsụ nzimozi ma nke Igbo dịka asụsụ nnata ozi. A gbadoro ụkwụ n'akụkọ ụwa ederede; ọ bụghị nke a gụpụtara agụpụta n'igwe redio. Atụnyekwara arọ maka nchọcha ọdịniihu ma tụpụtakwa aro maka ụzọ a ga-esi gbochi maọbụ belata atụgharịtaghị akụkọ ụwa etu o kwesịrị.

Okwu Mmalite

1.1 Ntọala nchọcha

Asụsụ bụ ihe kacha mkpa na nzirita ozi, ma e dere ya ede ma e kwuru ya n'ọnụ. Nkwurịta okwu maọbụ mkparịtaụka na-esitekarị n'otu e si were asụsụ rụọ ọrụ nakwa ụdị asụsụ eji kwue okwu iji meeka nghọta ya pụta ihe ma zukwa oke. Mgbe ọbụla eji asụsụ zie ozi maọbụ maa ọkwa, ma ndị mmadụ aghọtaghị ya, ọ na-abụkarị nsogbu nye ndị mmadụ. Nke a bụ nihi na okwu e ji asụsụ gbara gharịị kwue anaghị amịta mkpụrụ ọma ọbụla ma bụrụkwa ihe lara n'iyi.

Asụsụ bekee bụ asụsụ e kwekọrịtara na ya ka ọ bụrụ asụsụ nzirita ozi, ịma ọkwa na mkparịta ụka nke ala anyị bụ Naijiriịa gba gburugburu. Ọ bụ asụsụ ndị mbịara chịwa (Colonial masters) chiburu obodo anyị bụ Naijiriịa. Ọ bụkwa asụsụ e mere kandị ọbụla na-asụ na Naijiriịa, bụ ndị nwekwara asụsụ nke aka ha (Igbo) iji mee ka e nwee ezi nghọta mgbe a na akparịta ụka ọkachasị mgbe a gwara ọgwa. Asụsụ ndị mbịara chịwaa e jirila nwayọọ baa n'ụmị ọkpụkpụ ndị ala anyị bụ Naijiriịa nke mere ha ji mee ya ọkacha ibe.

Asụsụ dịka Agbedo (2007) siri kọwaa bụ ihe jikọtara ihe niile a na-eme eme. Asụsụ bekee bụ asụsụ a kachasị e ji arụ ọrụ na mgbasa ozi, ma na ntụgharị ozi site n'otu asụsụ rue n'asụsụ ọzọ. N'ala anyị bụ Naijiriịa, e nwere asụsụ atọ nke kacha apụta ihe n'ime asụsụ ndị ọzọ niile e nwere. Ha bụ: Igbo, Yoruba na Hausa (Awụsa). Asụsụ e ji eme nchọcha a bụ asụsụ Igbo na nke bekee.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-asụ na ndịda na ọwụwa anyanwụ (South East) Naịjiriịa. Steeti ndị na-asụ asụsụ a nke ọma na Naijiriịa gụnyere: Steeti Abịa, Steeti Anambra, Steeti Ebonyi, Steeti Enugu na Steeti Imo. E nwekwara Steeti ndị ọzọ a na-ahụta na-asụ asụsụ a (Igbo) mana ha anaghị eji ya eme mgbasa ozi na akụkọ ụwa ha. Ha bụ Steeti Rivers, Steeti Akwa Ibom, Steeti Delta, Steeti Kogi (Akpanya n'Igala nke dị n'okpuru ọchịchị gọọmenti Mela).

Asụsụ Igbo apụtaghị taa, ọ bụrụlarịị asụsụ e ji ede ihe, akụzi ihe, enye akụkọ ụwa, agbasa ozi, eme ntụgharị n'ebe a na-asụ ya. Ndị ntaakụkọ maọbụ ndị mgbasa ozi na-ede ozi ha n'asụsụ bekee tupu ha a tụgharịwa ya n'asụsụ Igbo, iji mee ka ozi ha bụrụ otu ihe. E nwere ọtụtụ ihe ndị a na-elebara anya mgbe a na atụgharị akụkọ ụwa n'olu Igbo, manaka osila dị, ngwugwu a ga-atọpe atọpe adighị mmaka a tụọ

ya mbọ. Nke a bụ n'ihi na anyị ga-akọwa ya n'uju n'odịniihu n'ederede a. Iji mee ka nchọcha a mịa mkpụrụ ọma, ọ ga-adị mma ilebanye anyaka ndị ntaakụkọ si atụgharị akụkọ ụwa site n'asụsụ bekee fere n'asụsụ Igbo, na-agbanweghị mpụtara ya. Na nchọcha a, anyị ga-elebanye anya na ndehie ha, nakwa ihe ndị ọzọ na-ebute nsogbu ma a bịa na ntụgharị akụkọ ụwa.Site na nchọcha a, ọ ga-edokwa anya na ntụgharị a na-eme abụghị naanị site n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ, kama a na-enwe ntụgharị nke na-esi n'otu asụsụ izugbe gaa n'olundị maọbụ site n'olundị gaa n'olu izugbe mana isi sekpụ ntị dị naya bụ na mpụtara ya agaghị agbanwe ma ọ bụrụ na onye ntụgharị mechaa ntụgharị ya.

1.2 Nsogbu nchọcha

Asụsụ, dịka o si dị iche ma nwee ọdịdị (structure) dị ịche ịche, na-ebukarị nsogbu mgbe a na-eji ya arụ ọrụ, tụmadị mgbe a na-achọ iwere ihe dị n'otu asụsụ gafee n'asụsụ ọzọ iji mee ka ha bụrụ otu ihe a na-ekwu maka ya. Nsogbu a ọ na-ebute mere eji elebanyere ya anya nke ọma ọkachasị ma a bịa n'ihe ọmụmụ dịka na Fọnọlọji, Mọfọlọji, Sintaksi na Semantisi. Ihe mere o ji dị otu a bụ na e nwere ike i bu ihe ọzọ n'obi ma dee ihe ọzọ, nke nwere ike iweta nghọta pụrụ iche. Mgbe onye ntụgharị maọbụ onye nta akụkọ ji olundị zie ozi maọbụ tụgharịa akụkọ ụwa, ndị na-amaghị olundị ahụ na-efukarị ụzọ mgbe ha na-agụ ya. Ọrụ nchọcha a ga-achọpụtakwa ihe ndị a na-ahụ mgbe a na-atụgharị ozi site n'otu asụsụ gafee n'asụsụ ọzọ.

Ihe kpaliri mmụọ ndị nchọcha ime nchọcha a bụ na mgbe a na-agụ akụkọ ụwa, a na-achọpụta nsụhie, mkpọhie mkpụrụokwu ụfọdụ nakwa iji olundị maọbụ okwu mbite, akọ akụkọ ụwa n'ihi etu e si tụgharịa ya bụ akụkọ ụwa. Ihe ọzọ kpaliri mmụọ ndị nchọcha a bụ ịtụpụta arọ etu a ga-esi nweta ogbugbo nye nsogbu a.Nke ka nke bụ na o nwebeghị onye anyị hụrụla mere nchọcha banyere mperi a na-ahụta na ntụgharị akụkọ ụwa n'ụlọọrụ mgbasa ozi; ọ bụkwazị n'asụsụ bekee ka e dere ya, mana ihe anyị na-elebanye anya na ya bụ na nsogbu a na-ahụta na ntụgharị akụkọ ụwa n'ụlọọrụ mgbasa ozi Dream FM.

1.3 Mbunuche nchọcha

Mbunuche niile e nwere maka ọrụ nchọcha a bụ iji lebanye anya na ntụgharị dịka o si gbasata nsogbu ndị a na-ahụta na ya mgbe e si n'olu bekee gaa n'olu Igbo n'ụlọọrụ mgbasa ozi.

Mbumoobi anyị kpọmkwem gụnyere:

i) ịchọpụta nsogbu ndị a na-enwetagasị n'ịtụgharị akụkọ ụwa ndị edere n'asụsụ ọzọ, ilebanye anya na ndehie, iji okwu mbite, olundị nakwa ihe ndị ọzọ;
ii) ilebanye anya na nsogbu nchọcha ma wepụta ọsịsa ya;
iii) ime ka o doo ọha na eze anya na asụsụ eji asụfe okwu n'asụsụ ọzọ ekwesịghị ị bụ asụsụ tara akpụ na nghọta.

1.4 Ajụjụ nchọcha

Iji wee kpokọta ihe nchọcha niile maka ihe ọmụmụ a n'ụzọ dị mfe, ajụjụ ndị a ga-enyere ndị nchọcha aka ma gbaziere ha ụzọ:

i. Kedụ ụdị nsogbu a na-enwetagasị n'ozi a na-atụgharị n'ụlọọrụ mgbasa ozi ọkachasị na Dream FM?
ii. Kedụ ka nsogbu ndịa si emetụta nzikọrịta ozi?
iii. Kedụ ka a ga-esi mee ka nsogbu ndị a belata maọbụ kwụ sị?

1.5 Oke nchọcha

Ọrụ nchọcha a na-elebanye anya n'ịchọpụta ka e si atụgharị ozi site n'olu bekee gaa n'otu Igbo dịka o si gbasata Dream FM. Ọzọ bụ iwepụta ihe ndị na-ebute atụgharighị ozi nke ọma n'ịgbakwasị ụkwụ na Dream FM Enugu. Ọrụ a ga-ezipụtakwa ka nsogbu ndị a hụtagasịrị si emetụta nzikorịta ozi. Ụzọ e si egbochi nsogbu a ga-enwekwa nlebanye anya. Ebe ndị nchọcha ga-elebanye anya karịa bụ na mkpụrụokwu, ụda, ahịrịokwu na nghọta asụsụ ma ọ bụ ahịrịokwu.

1.6 Nhịaahụ nchọcha

Na nchọcha, e nwere nhịahụ dịka enweghị ike iwekọta ozi buru ibu site n'aka ndị ụlọọrụ mgbasa ozi.Inwetakwa ezigbo usoro ntụgharị dị mma bụkwa ihe nhịahụ gbara elu n'ihe ọmụmụ a. Ọzọ bụ na ụfọdụ akụkọ ụwa e wetara n'asụsụ Igbo enweghị myiri ha n'asụsụ bekee. Ka o sila dị, ndị nchọcha ahapụghị ihe nhịaahụ ndị ahụ ka o gbochie ederede a ịmịta mkpụrụ ọma e bu n'uche n'ihi na ha gara nnukwute ọhịa ajụjụ, nke gụnyere { gakwuru ndị Ọkammụta n'ihe ọmụmụ ntụgharị n'uju ya na iwedata oke nchọcha ka ọ bụrụ naanị nke ụlọ ọrụ mgbasa ozi Dream FM.

1.7 Uru nchọcha

Ọrụ nchọcha ndị e merela n'oge gara aga na ntụgharị leghara anya na nsogbu a na-ahụta na ntụgharị akụkọ ụwa n'ụlọọrụ mgbasa ozi ma nwe mmasị n'ịkọwa ihe ntụgharị pụtara, ya na ndịna ntụgharị. E wezugarị nke a, n'ọrụ niile ndị e megoro na ntụgharị, dị ka ndị nchọcha si matadobe, ọ dịghị nke ọbụla n'ime ha nke nyochanugoro isiokwu ọrụ nchọcha a. Ya bụ, ọrụ nchọcha ga-emepe anya ndị nchọcha n'ihe gbasara nsogbu a na-ahụta na ntụgharị akụkọ ụwa n'ụlọọrụ mgbasa ozi.

Ọrụ nchọcha a ga-ewepụta ebe a na-enwekarị nsogbu ma zipụtakwa ụzọ a ga-agbaso n'ogbugbo ha mgbe a na-eme ntụgharị. Ọrụ a maọbụ ihe ọmụmụ a ga-abụ ihe nlere anya nye onye, òtù maọbụ ndị ọbụla ga-eme nchọcha n'ụdị isiokwu a maọbụ nke yiri ya n'ihi na ha ga-ejiri ya mere ihe nlere anya na nchọcha nke ha.
Ọ ga-emepekwa anya ndị ntaakụkọ n'ebe ha na-eri mperi banyere ịsụgharị otu asụsụ gafee n'ọzọ.

2.2 Ọrụ ndị e megoro metụtara isiokwu

Adeaga (2008) na ntụlegharị ọ tụleghariịrị ọrụ ntụgharị nke Hilskiechere bụ 'The Palmwine Drunkard' nke Tutuola dere, bụ nke a tụghariịrị were gaa n'asụsụ ndị Germany kọwara na o nweghị nsogbu na nkọwapụta ihe tụmadị mgbe a na-atụgharị ya. Adeaga kọwapụtara na ọ bụ asụsụ Yoruba – English ka e ji were dee ya n'ihi agụghị ezigbo akwụkwọ nke odee. Ndị mere ọrụ ntụle chọpụtara na otu e siri dee ya mere ya ka o were nnukwu ọnọdụ n'ime ọdịnnala odee nke mere na ọ ga-ahịa ahụ ibufeta ya n'ọdịnaala mba ụwa mepegoro anya. Adeaga ezipụtaghị ma ọ gbasoro atụtụ ọbụla maọbụ na ọ gbasoghị. Naanị ebe ọrụ ya si yịte ntụgharị nke a na-eme ugbu a bụ na ha abụa bụ ọrụ nchọcha a na-elebanye anya n'okpuru ihe omumu ntụgharị.

Site n'iji atụmatụ/tiori nke asụsụ nnata ozi 'target oriented theory', Soyoye na Banigo (2010) rụrịtara ụka n'ihe mbunuche n'asụsụ nzimozi bụ ngwa ọrụ eji enweta ọrụ nziritaozi. Ha kwuru na onye na-eme ntụgharị kwesịrị ilebanye anya nke ọma na ozi karịa ederede, nke bụ na ozi a na-ezi dị mkpa karịa akwụkwọ ozi n'onwe ya. Ha na-akọwa na akwụkwọ nzimozi nwere ọdịnaala, asụsụ nakwa ozi nke ndị ọgụụ na-atụ anya na onye ntụgharị ga-atapịara ha. Soyoye na Banigo tụnyere érò ha site n'ịsị na atụtụ akwụkwọ nzimozi (source teụt oriented theory)

na-akacha mma ma ọ bụrụ na ndị nnata ozi bụ ndị ntụcha agụmagụ, atụtụ nnata ozi bụ maka ndị ọgụụ ndị n'abụghị ndị ntụcha agụmagụ. Ihe ndị a, ha hụtara pụtakwaziri ihe n'ebe agwa ndị ahụ odee ji rụọ ọrụ nakwa ntọala odee bụ nke gbadoro ụkwụ na ndụ ndị Yoruba. Ebe nchọcha Soyoye na Banigo (2010) si yite ọrụ nchọcha a e ji n'aka ugbu a bụ naanị na ha abụọ bụ ọrụ nchọcha e mere n'okpuru ngalaba ihe ọmụmụ – ntụgharị. Isiokwu nchọcha ha na ọrụ nchọcha nke a na-eme ugbu a abughị otu ihe. Ebe isiokwu nchọcha nke a gbadoro ụkwụ na nsogbu a na-ahụta na ntụgharị akụkọ ụwa n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi, nke Soyoye na Banigo na-arụrịta ụka na ihe mbunuche n'asụsụ nzimozi bụ ngwa ọrụ e ji enweta ọrụ nziriịta ozi.

Nwaeze (2014) mere nchọcha n'ihe gbasara nsogbu a na-enwe na ntụgharị ilu Igbo gaa na bekee. Ọ kọwara na mgbe a na-eme ntụgharị ilu, a na-enwe nsogbu dị iche iche. Ọ kọwara na mgbe eji ntụgharị okwu laara okwu were mee ntụgharị, na mbunuche eji webata ilu ahụ n'okwu agaghị apụta ihe n'asụsụ nnata ozi. N'ọmụmaatụ o nyere, ọ kọwara na ọ bụrụ na e kwuo "égwú nkịta bụ onye daara ya, ibe ya adaara ya", nke atụgharịrị na bekee dịka: 'Dog's play is each one falling for the other'. Na ntụgharị a, echiche ebu n'obi apụtaghị ihe. Nsogbu ọ hụtara metụtakwara nsogbu inweta echiche kacha yie echiche nzimozi n'ime nke nnata ozi. Ka o sila dị, echiche kacha wee yite echiche ilu a n'ederede a n'asụsụ nke nnata ozi bụ 'respect is reciprocal'. Ya bụrụ na e nwetaghị ya, ebumnobi agaghị apụta ihe n'asụsụ nnata ozi. Ọzọ bụ nsogbu ndoko okwu n'ihi na asụsụ bekee na asụsụ Igbo abụchaghị otu. O nwere ebe ha yitere onwe ha, nwee ebe ha eyighị. O metụtakwara aka na nsogbu na-adị na mpụtara echiche dị n'asụsụ nzimozi were gaa na nke nnata ozi. Ntụgharị Nwaeze yitere ntụgharị a na-eme n'ihe ọmụmụ a n'ihi na e nwere nsogbu mpụtara echiche dị n'asụsụ nzimozi tụmadị nke kacha yie echiche mbụ bụ nke nzimozi gaa na nke nnata ozi ma dịkwa iche n'ebe ọdịnaala akwụkwọ nzimozi dị. Ọrụ Nwaeze gbadoro ụkwụ n'ọdịnaala asụsụ bekee na nke Igbo.

2.3 Nchịkọta ntụgharị agụmagụ

Site na agụmagụ niile elebara anya na ihe nchọcha a, o kwesịrị ka onye ọbụla lezie anya mgbe ọ na-eme ntụgharị iji zipụta ya n'ụzọ dị mfe ma nwee nghọta dịka o si dị na nke nzimozi. Ọ na-adịkwa mkpa na onye ọ bụla ga-ejisi ike mata asụsụ ọ na-

atụgharị nakwa omenaala na ọdịnaala asụsụ o ji eme ntụgharị nke ọma ka ihe nduhie ụzọ ghara ịdị.

Ọtụtụ ọrụ e megoro bụ ọrụ gbasara ntụgharị akwụkwọ agụmagụ mana o nwebeghị ọrụ anyị hụrụla e merela gbasara ntụgharị ozi, ọkachasị nke gbadoro ụkwụ na nsogbu a na-ahụta na ntụgharị akụkọ ụwa n'ụlọọrụ mgbasa ozi tụmadị nke si na Dream FM na Steeti Enugwu, Naijiriạ.

Usoro Nnyocha

3.1 Ebe nchọcha

Ebe mgbakwasị ụkwụ nchọchaa bụ n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi Dream FM nke dị na Steeti Enugwu nke ala anyị bụ Naijiriạ. Ebe ọzọ anyị nọ wee mee nchọcha a bụ na ọba akwụkwọ nke ndị ngalaba Lingwistiiksi, Igbo na asụsụ Naijiriạ ndị ọzọ na Mahadum nke Naịjiriạ, Nsụka.

3.2 Ngwa nchọcha

Ngwa ọrụ e jiri mee nchọcha a bụ akwụkwọ akụkọ ụwa ndị ezirila n'ozi site n'ọnwa Oktoba afọ puku abụọ na iri na isii (2016) rue n'ọnwa Jenụwarị nke afọ puku abụọ na iri na asaa (2017). Ọ bụ akwụkwọ akụkọ ụwa a bụ isi sekpụ ntị na nchọcha a. Akwụkwọ akụkọ ụwa e wetara dịka njiatụle bụ nke asụsụ bekee na nke Igbo.

3.3 Usoro nchọcha

Ndị nchọcha a wetara ngwa ha jiri mee nchọcha ha site n'ịga n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi Dream FM nke dị na Enugwu ma wetakwa akwụkwọ akụkọ ụwa ndị ha jiri mee mgbasa ozi.Akwụkwọ ozi ndị eji mee nchọcha a dị iri abụọ, n'ihi na ọ bụ nke ndị ụlọ ọrụ mgbasa ozi a nwere ike inyenụ. Ha bụ ndị e ji gbasa ozi site n'ọnwa Oktoba afọ 2016 rue na nke Jenụwarị afọ 2017. Mgbe ndị na-eme nchọcha wetachara akụkọ ụwa ndị ahụ, ha bịara nọrọ ala gụọ ha nke ọma, wee wepụta ebe niile e ji olundị, okwu mbite mee ntụgharị nakwa ebe ndị e nwere ajọ nsụpe maọbụ ndehie na ngalaba asụsụ dị iche iche. Ha gakwara n'ihu n'iwepụtasị ebe onye odee ji olu bekee dee Igbo. Ọzọ dị ka ibe ya, ndị na-eme nchọcha gara n'ihu lebanye anyaka ha si eme ntụgharị akụkọ ụwa bekee n'olu Igbo.

Nguzo Na Ntụcha Ọrụ Nchọcha

4.1 Ụdị nsogbu a na-enwetagasị n'ozi a na-atụgharị n'ụlọọrụ mgbasa ozi Dream FM

A bịa na ntụgharị ozi, a na-enwe ọtụtụ nsogbu n'ụzọ dị iche iche n'ihi na asụsụ nzimozi na asụsụ nnata ozi enweghị otu usoro. Lee anya na nwube nkebi okwu ndị a na-esote:

Bekee	**Igbo**
3aii) That man came Dem N V	aii) Nwoke ahụ bịara Man that come past V Spec V Adj
Bi) This woman is tall Spec N V A	bii) Nwaanyị a toro ogologo Woman this tall past tall N SPEC V Adj

A bịa na nwube ahịrịokwu ndị a e nyerela n'ihe ọmụma atụ nke atọ (3), anyị ga-achọpụta na usoro nwube ahịrịokwu na nke bekee na nke Igbo abụghị ótù ihe. Na nke bekee isiokwu (subject) na-esote nrụaka (demonstrative), ebe isiokwu na-ebutere nrụaka ụzọ na nwube ahịrịokwu n'Igbo. Otu aka ahụkwa ka ọ dịkwa na nwube nkebiokwu na bekee nakwa n'Igbo. Ọmụmaatụ:

Igbo	**Bekee**
4ai) Nwantakịrị a 'child this' N S	4aii) This child Dem N
bi) Akwụkwọ ahụ 'book that' N Dem	bii) That book Dem N

4.1.1 Iji olundị atụgharị akụkọ ụwa

A bịa n'akụkọ ụwa, a na-enwe nsogbu mgbe ụfọdụ na ntụgharị ya n'ihi na onye na-eme ntụgharị na-ewebata olundị-olu asụsụ bụ nke ekwesighị iji eme ntụgharị ahụ. Mgbe ụfọdụ ọ na-abụ iji olu asụsụ nke na-abụghị asụsụ izugbe ala ahụ wee na-akọ akụkọ ụwa. Ya bụ, ntụgharị gụnyere ịgbaso ezi usoro nke ndị nwe asụsụ

nnata ozi wee bufete ya bụ ozi ka o wee dabaa adaba. Nke a ga-emekwa ka nghọta echiche asụsụ nzimozi na nke nnataozi bụrụkwa otu ihe.

Ọzọ, ime ntụgharị abụghị naanị iwere ozi dị n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ, kama e nwekwara ike isi n'olundị buru ozi gafee n'asụsụ izugbe ya, maọbụ buru ozi site n'asụsụ izugbe bufee ya n'olundị asụsụ ahụ. Ka o sila dị, otu ihe doro anya bụ na ntụgharị ga-emetụtarịrị asụsụ abụọ. Na ntụgharị e mere n'abalị ka ọnwa Jenụwarị dị na mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na ise n'ụlọọrụ mgbasa ozi Dream FM n'afọ puku abụọ na iri, iji olundị eme ntụgharị pụtara ihe n'ebe onye ntụgharị akụkọ ụwa ahụ nọ n'ebe ọ dị ukwuu. Iji maa atụ: o dere '… *ndị Fulani na-achụ 'efi'…'*. 'Efi' bụ olundị, ihe a na-akpọ anụmanụ ahụ n'Igbo izugbe bụ ehi. Ọzọkwa bụ '… agaghị afanye *aka n'ụkwụ n'ekiri…'. 'Ekiri'*abụghị Igbo izugbe kama ihe a na-ekwu bụ *'…agaghị afanye aka n'ụkwụ 'na-elele'..'*. Ntụgharị a e mere na-egosi na onye mere ntụgharị a bụ onye Steeti Anambra maọbụ Enugwu.

A bịakwa na ntụgharị e mere n'abalị asatọ n'ọnwa Jenụwarị n'otu afọ a, e nwetakwara okwu dịka '*ayọla'* na ntụgharị ahụ '*ayọla'* ndị Igbo ka ha chọọ ezi onye…'. 'Ayọla' bụ olundị, izugbe ya bụ '*arịọla'*. Ọzọ dị ka ibe ya bụ '*mmerube'* dịka ọ dị n'ahịrịokwu a *'… bụkwazị agamnihu nke mmebe ekeresimesi.* Kama '*mmemme* maọbụ *emume'*.Olundị ọzọ pụtara ihe bụ '… Josephine mụrụ ụmụ ejima *yakọdoro ọnụ*: okwu a 'yakọdoro'abụghị Igbo izugbe, o kwesịrị ị bụ '*nyakọrọọnụ'*. Ntụgharị ọzọ nke abali abụọ n'ọnwa Jenụwarị, e nwetakwara olundị na ya dịka: ọ '*yọrọ'* ndị obodo anyị, ka ha jikọọ onwe ha ọnụ n'udo…' Ihe o kwesịrị ịbụ bụ ọ *'rịọrọ'* ndị obodo anyị ka ha jikọọ onwe ha ọnụ n'udo…' n'ihi na 'yọrọ' abụghị izugbe mkpụrụokwu ahụ. Otu olundị a pụtara ọzọ dịka na '*ọyọkwara* ndị obodo anyị ka ha…' kama ide *'ọ rịọkwara'…*

N'ahịrịokwu a 'ndị ọrụ *'chịkọbara'* onwe ha ọnụ, nọ n'okuru dị iche…', ihe o kwesịrị ị bụ bụ 'ndị ọrụ *'chịkọtara'* onwe ha ọnụ, nọ *n'okpuru dị iche…* na ntụgharị ọzọ e mere n'abalị anọ n'ọnwa Nọvemba afọ 2016, e nwere olundị n'ahịrịokwu a 'ndị ụlọ omebe iwu…'. A hụkwara olundị ọzọ n'ahịrịokwu a 'o mekwara ka *amara* na ha eguzobela ngalaba azụmahịa, ga-enyere ha aka…' o kwesịrị ị bụ 'o mekwara ka *a mara* na ha eguzoola ngalaba azụmahịa, ga-enyere ha aka…' Na ntụgharị e mere n'ablị isii n'ọnwa Jenụwarị ka a hụrụ: *'Amarizu Kalụ mere ka amata na ndị uwe ojii ekpoputala 'pupusia' ụmụ ihe ndị nọchiri ụzọ iji wee gbochie ihe mberede'.* Ihe

ntụgharị a kwesịrị ị bụ, bụ *'Amarizu Kalu mere ka a mata na ndị uwe ojii akpụpụtala ndị merụrụ ahụ n'oge maka ị nata ezi nleta ahụ ike, ma site n'otu aka ahu 'kpopụsịa'* ụmụ ihe nọchiri ụzọ iji wee gbochie ihe mberede'.

Na ntụgharị ọzọ e mere n'abalị iri na abụọ n'ọnwa Disemba (2016) nwere olundị dịka *'Etinyela ochi n'iru ndị no na Enugu Tertiary Homes and Rehab Centre Emene'* dịka ha *merubere mmemme na ngwụsị izu ụka gara aga*. *Mmerubere* abụghị Igbo izugbe ihe onye ntụgharị a kwesịrị ịtụgharị bụ *'Etinyela ọchị n'ihu ndị nọ n'Enugu Tertiary Homes and Rehab Centre Emene, dịka ha mechara mmemme na ngwụsị izu ụka gara aga'*. E nwekwara ebe e nwere '… onye isi oche otu club ahụ bụ Frank Anioma kwupụtara na mmekọrịta ndị na enweghị ka 'ọra' ha bụ ụzọ kacha mma, *n'imerube mmemme ekeresimesi'*. Na ntụgharị a, '*ọra'* na 'imerube' abụghị Igbo izugbe. Ihe o kwesịrị ịbụ bụ *'… onye isi oche otu club ahụ bụ Frank Anioma kwupụtara na mmekọrịta ndị na-enweghị ka ọ ha, bụ ụzọ kacha mma n'ime mmemme ekeresimesi'.* Ọzọ bụkwa 'Ayọla gọvanọ Rochas Okorocha na-achị Steeti Imo, ka ọ kwụọ ndị lagoro ezumike ọrụ ụgwọ ọnwa ha'. 'Ayọla' kwesịrị ibụ *arịola*. N'otu ụbọchi ahụkwa ka a hụrụ ahịrịokwu dịka 'ọ gwara gọvanọ Okorocha ka ọ gba mbọ hụụ na ego ụgwọ ọnwa na '*orubere'* ndị lagoro…. O kwesịrị ịbụ 'ọ gwara gọvanọ Okoroọcha, ka ọ gba mbọ hụ na ego ụgwọ ọnwa 'ruru' ndị lagoro ezumike…

N'abalị atọ n'ọnwa Novemba ka ahụrụ ntụgharị ka ọ dị akụkọ emeghị ka aghọta ihe kpatara eji chọọ iwepụ ya n'ọkwa ọrụ mana ụfọdụ ndị omebe iwu, na-eleghara anya na onyeisi ụlọ omebe iwu ahụ, gbariri ego, na ọ dị mkpa na ewepụrụ ya n'ụsọ. Ihe o kwesịrị ịbụ bụ nke a *'ka ọ dị akụkọ emeghị ka aghọta ihe kpatara eji chọọ iwepu ya n'ọkwa ọrụ mana ụfọdụ ndị ome iwu na-eleghara anya na onye isi ụlọ ome iwu ahụ gbariri ego, na ọ dị mkpa na-ewepụrụ ya n'oge.* Okwu ndị a '*uso'*, '*omebe'* abụghị Igbo izugbe. *'Omebe'* bụ olundị, ọ bụ ome iwu (iji gosi onye na-eme iwu dịka Igbo izugbe siri nabata ya).

4.1.2 Ndehie nsiede

Asụsụ ọbụla nwere usoro a na-agbaso n'ide ya mgbe a chọrọ ide ya ede. Asụsụ Igbo adịghị iche ma a bịa n'usoro e si ede ihe. Ya bụ, asụsụ n'onwe ya nwekwazịrịusoro a na-agbaso mgbe a chọrọ ide ya ede.N'asụsụ Igbo, a naghị enwe ọyọ mgbochiume, ya bu mgbochiume anaghị abịakọta ọnụ maọbụ esote onwe ha na nwube mkpụrụokwu maọbụ usoro okwu, mgbochiume anaghị

akwụsị okwu Igbo ma e wezuga mkpụrụedemede mgbochiume abụọ a bụ 'm/n' a na-akpọ myiriụdaume, ụdaume otu arọ na nke otu mfe anaghị anọkọ na mwube okwu ọkpụ Igbo. N'asụsụ Igbo, a hapụ itinye akaranta n'okpuru ụfọdụ ụdaume dịka *o, u, i*, ọ na-emebi nghọta okwu ọ nọ na ya nke ga-eme ka ọ bụrụ ndehie nsiede. Na nchọcha a, a hụtara ndehie dị iche iche bụ nke a ga-arụtụ aka na ya. Na mpaghara a, ebe nlekwasị anyandị nchọcha a bụ n'asụsụ Igbo, ya na otu e si were ha rụọ ọrụ. Asụsụ nzimozi abaghị uru ebe a.

A bịa n'ahịrịokwu a, *'aka na achi Enugwu Steeti bụ gọvanọ Ifeanyi Ugwuanyi, ayọla ndị ụka Christ n'ala anyị…'* dịka ọ dị na ntụgharị e mere n'ụbọchị iri abụọ na isii n'ọnwa Disemba nwere ndehie dị ọtụtụ. E nwere ndehie n'okwu ndị a na-esote:

Ndehie dị n'akụkọ ụwa e ji Mee Nchọcha	**Ndezi ndehie ndị ahụ a chọpụtara**
Na achi	Na-achị
Govano	Gọvanọ
Ndi	Ndị
Christ	Kraịstị
Anyi	Anyị
Akpọla	Akpọọla
Nile	Niile
Udo n'idinotu	Udo na ịdị n'otu
Bukwazi	Bụkwazị
Dibia	Dibịa
N'eme	Na-eme
Ihụ	ịhụ dịka ịhụ ihe
Agburu	Agbụrụ
N'achi	Na-achị
Madụ	Mmadụ
Eweputara	Ewepụtara
Ọchichi	Ọchịchị
Ọ bia	Ọ bịa ile ọbịa
Ga egbo mkpa	Ga-egbo mkpa
Kam	Ka m
Steti	Steeti

Ruru ọrụ	Rụrụ ọrụ
Mmekọrita	Mmekọrịta
Ahuike	Ahụike
Ụmụnwanyi	Ụmụnwaanyị
Hụụ ya	Hụ ya
Oma ahia	Ọma ahịa
Chọkariri	Chọkarịrị
Ndigbo	Ndị igbo
Na ụlọ nga	N'ụlọ nga
N'ngalaba	Na ngalaba
Ahu	Ahụ – akwụkwọ ahụ

A bịa na ndehie ndị a e zipụtagasịrị na mkpụrụokwu ndị ahụ dị n'elu, a ga-ahụ ihe mere ha jiri bụrụ mkpụrụokwu e dehiere edehie. N'ime ha niile, ebe ndehie na-akacha njọ bụ n'itinye akaranta na mkpụrụ edemede. O doro anya na asụsụ Igbo adịghị ka asụsụ ndị ọzọ, n'ihi nke a, o kwesịrị ka onye ọbụla wepụtara onwe ya ide Igbo maraka e si ede ya bụ Igbo maka na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ọ bụghị naanị ndị a e depụtara n'elu bụ ndehie dị n'ihe e ji mee nchọcha mana e wepụtara ndi ahụ dị ka ihe ndị e jiri maa atụ ya naka e nwee ike ịga n'ihu mee ihe ndị ọzọ e kwesiri imenụ.

4.1.3 Iji okwu mbite atụgharị akụkọ ụwa

N'ebe a, ihe a ga-elebara anya bụ ka ndị mere ntụgharị si were asụsụ ọzọ mee ntụgharị. Mgbe ọbụla asụsụ ọbụla bitere okwu site n'asụsụ ọzọ gaa n'asụsụ ọzọ, ọ na-adị mkpa ka onye na-eme ntụgharị gbalịa ma meeka okwu ahụ e bitere daba n'ụdị ụtọasụsụ asụsụ o ji arụ ọrụ. Mgbe a na-ekwu maka okwu mbite, anaghị ekwu maka iweta okwu si n'olundị, kama ọ bụ okwu e si n'asụsụ ọzọ webata. Na mpaghara a, a ga-elebanye anya ka iji okwu mbite eme ntụgharị si bụrụ otu n'ime nsogbu a na-ahụtagasị na ntụgharị akụkọ ụwa.

Na ntụgharị akụkọ ụwa atụgharịrị n'abalị iri na isii n'ọnwa Jenụwarị n'afọ 2017, e nwere okwu mbite n'ime ya dịka *'The Nigeria Labour Congress has informed the Federal Government that Nigerians…'*, n'asụsụ nzimozi, ebe *'Ndị otu Nigeria Labour Congress agwala Goment etiti na ndị ala anyị…'* n'asụsụ nnata ozi. Na ntụgharị a,

anyị ga-ahụ na onye ntụgharị a jikwa okwu bekee tụgharị ya. Ihe ntụgharị a kwesịrị ịbụ bụ *'Ndị otu nzukọ ọrụ na Naijiria nke a na-akpọ Nigeria Labour Congress n'asụsụ bekee agwala gọọmenti etiti na ndị ala anyị…* Ọzọ, e nwekwara nke a *'instead review its policy on subsidy… in the fuel pump price…'* n'asụsụ nzimozi ebe nke nnata ozi dịka atụgharịrị ya bụ *'… ka ha lenwogharia anya n'usoro iwu n'ebe ego enyemaka subsidy… n'ọnụ ego mmanụ fuel'.* Na ntụgharị a, '*subsidy'* na '*fuel'* bụ okwu mbite nke si n'asụsụ bekee. O kwesịrị ịbụ *'… ka ha lenwogharia anya n'usoro iwu n'ebe ego enyemaka… n'ọnụ ego mmanụ ụgbọala.* 'Enyemaka' na 'Subsidy' dịka ọ dị na ntụgharị a dị n'elu pụtara otu ihe, idekọta ha otu ebe kandị bekee kpọrọ 'tautology', ya bụ, iji okwu abụọ mpụtara ha bụ otu ihe were na-akọwa ihe ka a ga-asị na nghọta ha dị iche iche.

E nwekwara okwu mbite ndịọzọ bụ ndị gụnyere '*milk'* na '*chocolate'*. 'Milk' nwere aha a na-akpọ ya n'asụsụ Igbo, e nwekwara ihe a na-akpọ chocolate n'Igbo izugbe. Na nke 'milk, ndị Igbo na-akpọ ya *'mmiri ara ehi'* ebe 'chocolate' bụ *'ihe ọṅụṅụ ọtọ bịrịbịrị'*. Okwu mbite pụtara ihe n'akụkọ ụwa a bụ *'… has called otu against the recent killings of Ndiigbo in Southern Kaduna…'* n'asụsụ nzimozi, ebe *'… akpọọla oku megide ogbugbu e gburu ndị Igbo n'ọdị nso a na Southern Kaduna…'* bụ asụsụ nnata ozi. Ihe ntụgharị a kwesịrị ịbụ, bụ *'… akpọọla oku banyere ogbugbu e gburu ndị Igbo na nso a, na ndịda anyanwụ Kaduna maọbụkwanụ mpaghara ndịda anyanwụ nke Kaduna'*, 'Southern bụ asụsụ bekee.

Na ntụgharị ọzọ emere n'abalị iri na asatọ n'ọnwa mbụ ahụkwa, a hụrụ okwu mbite a 'Truck' n'ebe e kwuru *'… kandị uwe ojii na Plateau jidere ụgbọ ala truck abụọ…'* ihe ntụgharị a kwesịrị ịbụ, bụ *'gwongworo' maọbụ 'ụgbọala na-ebu ngwa ahịa'*. Ọzọ dịka ibe ya bụ *'one hundred and thirty ghost workers…'* nke atụgharịrị dịka *'… otu narị na iri atọ bụ ndị a kpọrọ ghost workers…' 'ghost'*na '*workers'* were aha a na-akpọ ha n'Igbo nke bụ '*mmụọ'* na *'ndị ọrụ'* bụ nke ga-apụta na ntụgharị a dịka *'ndị ọrụ mmụọ otu narị na iri atọ ndị a kpọrọ 'ghost workers' n'asụsụ bekee…' n'ihi na anaghị ahụ mmụọ anya.*

N'otu ntụgharị a kwa, e nwere 'fire service' nke bụ asụsụ bekee, ihe e nwere ike ịkpọ ya n'asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na ndị Igbo enweghị ihe a na-akpọ ya bụ *'ndị ọrụ na-ahụ maka ọkụ ọgbụgba'* maka na ọ bụ site n'ihe ha na-arụ ka esi enye ya aha maọbụ site n'ihe ndị nwe asụsụ eji arụ ọrụ kwekọrịtara na-aga akpọ ya bụ ihe. Ọ

bụrụgodu na ihe ahụ enwebeghị aha ndị Igbo na-akpọ ya, ọ dị mkpa ka onye na-eme ntụgharị wepụta ihe o che dị mma a ga-akpọ ya, nke ga-abụ onye ọbụla nụrụ ya ga-amata ihe a na-ekwu maka ya. Ọ ga-enyekwa aka n'otuto asụsụ.N'agbanyeghị na mpụtara 'fire service' n'asụsụ Igbo dị ogologo, ọ ga-ekwe nghọta ma ọ bụrụ na nwa afọ Igbo gụta ya n'akụkọ ụwa. E nkwekwara okwu dị ka *'mechanic village'* nke kwesịrị ịbụ obodo ndị na-arụ ụgbọala na-anọ. Mgbe e nwere ike ịhapụ ya otu a bụ mgbe ọ bụ aha nọrọ onwe ya. Ezi ntụgharị ya ga-abụ *'ebe ndị na-edozi ụgbọala na-anọ'*.

O nwere ebe onye ntụgharị dere *'… ndị ọzọ di n'okpuru ọchịchị Igboeze North…'*Okwu a 'North' bụ okwu mbite nke si n'asụsụ bekee. Ihe okwu a bụ 'North' bụ n'asụsụ Igbo bụ 'mgbago Ugwu', nke a pụtara na a bịa n'ahịrịokwu ahụ, ihe o kwesịrị ị bụ bụ *'ndị ọzọ si n'okpuru ọchịchị mgbago Ugwu Igboeze…'.*

Na ntụgharị ọzọ e mere n'abalị iri abụọ na isii n'ọnwa Disemba afọ 2016 ka ahụtara nke a *'taa bụ ụbọchị Boụing day…'*. 'Boụing day' bụ okwu e bitere ebite site n'asụsụ bekee. Ihe e kwesịrị ịkpọ ya n'asụsụ Igbo bụ *'ụbọchị nlere anya, n'ihi na ọ bụ ụbọchị a na-enye ndị mmadụ onyinye, ụbọchị na-esote ụbọchi ọmụmụ Kraisti*. Ọ bụ site na mpụtara ka e si nyeya aha a, e nyere ya n'asụsụ Igbo. Ọzọ dịka ibe ya bụ '… n'ime osimiri black sea'. 'Black sea' ekwesighịiso n'ezi ntụgharị. O kwesịrị ị bụ *'Osimiri Ojii'* dịka e nwere *'Osimiri Uhie'* dịka 'Red sea'.

Na ntụgharị ọzọ e mere n'abalị iri abụọ na otu n'ọnwa Nọvemba n'otu afọ ahụkwa, hụtara n'akụkọ ụwa ahụ*'dị ka e kwupụtara na ngwụsị izu ụka gara aga mgbe ọ na-ebunye igwe transformer ga-ebulite ọkụ na Ụmụlumgbe dị n'okpuru ọchịchị Udi dị na Enugu Steeti.*'Transformer' bụ okwu mbite. Asụsụ Igbo nwere ike ịkpọ ya *'igwe na-ekesa ọkụ'* ebe *Enugu Steeti* tosiri ịbụ *Steeti Enugwu*. Ọzọ dịka ibe ya ahụrụ bụ *'Abuja Environmental Protection Board ejidela ehi ruru iri atọ na otu nakwa atụrụ ruru iri ise na atọ tinyere ndị nwe ha, ma kpụpụ ha na ụlọ ikpe, n'ihi ikpanye ụmụ anụmanụ ndị ahụ nri n'isi ala obodo anyị bụ Abuja.* Na mbido ntụgharị a, a hụrụ okwu mbite, ihe o kwesịrị ịbụ bụ *'ndị otu na-ahụ maka mkpuchite na idị ọcha nke Abuja…'*,n'ihi na ọ na-adị mkpa ịtụgharị okwu ndị a na-enweghị aha a na-akpọ ha n'asụsụ Igbo site n'ọrụ ha na-arụ.N'otu ntụgharị a kwa, e nwetakwara '… ọ kọwara na ndị *Miyetti Allah Cattle breeders association na ndị Abuja environmental protection board jikọrọ aka ọnụ…'*. Cattle Breeders Association ka e nwere ike ikpọ *'otu jikọrọ ndị na-achị ehi'*.

Ahụkwara *'… wee gosi ndị Steeti Anambra iko federation cup, bụ nke ha butere n'ọnwa gara aga…'*. Federation cup ekwesịghị ịdị otu a ọ dị n'ihi na asụsụ Igb onwere aha ha na-akpọ ya nke bụ *'iko mba ụwa'*. Ihe ọzọ na-ekwesịghị ekwesị bụ idekọta *iko* na *federation* cup n'ihi na ọ bụrụ na-emere ezigbo ntụgharị, a gara ahụta na iko na cup bụ otu ihe ma bụrụkwa nke no n'otu ọnọdụ na mwube okwu. Ọzọ dịka ibe ya bụ *'… n'ụbọchi Sunday…'* Sunday pụtara *ụbọch*ị Ụka. Ọzọ bụ *'… oge ọ gara n'ugbo Ettem Amagu Rice farm…'*.A na-akpọ rice farm, *'ugbo osikapa'*.N'akwụkwọ akụkọ ụwa ahụ, okwu Igbo ewepụ mgbe e nwere mgbakọ okwu (compounding). 'U' bụ otu 'E' ebe 'A' bụ otu 'a', ha ekwesịghị ịnọkọ n'otu okwu, 'o kwesịrị ịbụ 'otu E' na 'otu E', 'otu A' na 'otu A' dịka 'ụka'. E nwekwara okwu dịka 'anyi' 'a' na 'i' nọ n'otu dị iche iche, o kwesịrị ị bụ "a" na "ị" n'otu okwu. 'Onwa' dakwara iwu mmebe okwu Igbo, o kwesịrị ịbụ 'Ọnwa'.

N'ahịrịokwu a '*Ayọla* Govano Rochas Okorocha, na-achi Steeti Imo, ka o kwụọ ndi lagoro ezumike ọrụ ụgwọ onwa ha…' a ga-ahụ na 'ayọla' abụghị Igbo izugbe, ọ bụghị ihe e kwesịrị iji eme ntụgharị ya kama ihe o kwesịrị ịbụ bụ *'arịọla'*. Na nke '*govano'*, e ji ụdaume nke si n'otu 'E' nakwa nke si n'otu A were mebe ya, bụ nke mere na mkpọpụta enweghị ụda Igbo, o nwekwaghị mpụtara. Mana ọ bụrụ na edere ya dị ka 'gọvanọ' onye ọbụla gụrụ maọbụ kpọpụta ya dịka '*gọvanọ'* ga-ama ihe ọ pụtara, ma o nwere akara ụdaolu maọbụ na o nweghị. Otu ụdị nsogbu a ka e nwekwara n'okwu ndị ọzọ dị n'ahịrịokwu ahụ dịka 'o kwụọ', *'achi'* nakwa '*onwa'*.

E nwekwara nsogbu n'ahịrịokwu a na-esotenụ – *'ndi otu ndoro ndọrọ ọchichi …'* Na nke a, e nweghịkwa ezi mwube. Otu ihe doro anya na fọnọlọjị bụ na ọ na-ámù mkpụrụ ụda dịka o si metụta otu asụsụ, ọ na-amụ mkpụrụụdaasụsụ dị n'asụsụ nakwa ka e si eji ha ewube okwu (mana ọ bụghị ka mọfọlọjị si eme). E nwere ọtụtụ ọmụmaatụ ndị ọzọ bụ ndị gụnyere: '*oputara izo okwa, ikwado, komishona, mmeputa ndumodu, anaghi, abali, ilaba anya,* nke ezigbo mwube ha kwesịrị ịbụ 'Ọ pụtara *ịzọ ọkwa, ịkwado, kọmishọna, mmepụta, ndụmọdụ, anaghị, abalị, ileba anya'.*

Fọnọlọji bụ ngalaba lingwistiksi nke na-amụ ka e si eji ụda dị iche iche emebe okwu nwere nghọta, ịmata ụda ndị nwere ike ịbịakọta ọnụ ma nwee nghọta zuru oke dịka a hụtara ha n'ezi nzipụta mkpụrụokwu ndi a dị n'elu. Ọ bụkwa site n'ihe

ọmụmụ fọnọlọji ka nwa afọ Igbo ga-esi mata mkpụrụụda ndị nwere ike ịnọ na mbido okwu nakwa na ngwụcha okwu n'asụsụ Igbo.

4.2.2 Mọfọlọji

Nke a bụ ngalaba lingwuistiksi ọzọ a na-enwe nsogbu ma abịa na ya. Nke a bụ ngalaba ọzọ nke ihe mgbakwasị ụkwụ ya bụ ka e si enwe ezi usoro na ndoko ime na mkpụrụokwu. Ọ na-amụ maka iwu na-achị mwube mkpụrụokwu n'asụsụ ọbụla. Ebe mgbakwasị ụkwụ ya bụ n'ebe mkpụrụokwu nọ, ọ bụghị n'ebe ụda nọ dịka ọ dị na fọnọlọji. Ọ na-amụkwa ka ọrụ mkpụrụokwu ndị a si dị na ụtọasụsụ a na-ekwu maka ya. Ọmụmaatụ nke a n'akụkọ ụwa a eji arụ ọrụ gụnyere: '*akwanyehụrụ'* n'ime ahịrịokwu a *'Obi kọwara ihi egwu ọ na elegara anya Obiano na eyi, ibuso ya agha, ma ọ bụrụ na ya akwanyehụrụ onwe ya ugwu'*. N'asụsụ Igbo, ihe e ji ezipụta njụ bụ 'ghị' mana mkpụrụokwu a 'akwanyehụrụ' abụghị ezi usoro mwube okwu Igbo. Na mkpụrụokwu a bụ 'akwanyehụrụ', a+kwanye+hụrụ'a' bụ mgbakwụnye nganihu, 'kwanye' bụ isingwaa ukwu ebe 'hụrụ' bụ ngwa nsonaazụ ọzọ nọrọ onwe ya. Abịa na ndokọ a 'hụrụ' enweghị mpụtara n'asụsụ Igbo ma ewepụ n'olundị ụfọdụ. Ihe o kwesịrị ị bụ, bụ *'akwanyereghi onwe ya ugwu'*. Ọzọ bụ *'ụlọ ńzúkōomebe iwu'*, okwu a 'nzụkọ' enweghị ezigbo nwube site na mpụtara ya n'ahịrịokwu ahụ ọ nọ na ya, o nwere mpụtara dị iche bụ nke na-emetụtaghị ihe a na-ekwu maka ya. Iji kọwapụta ihe a na-ekwu maka ya, n – mgbakwunye nganihu (myiriụdaume), zụ-isingwaa nke pụtara 'to buy' n'asụsụ bekee ebe '*kọ'* bụ mgbakwunye nsonaazụ nke na-enweghị ihe ọ pụtara na mkpụrụokwu ọ nọ n'ime ya. Kama, na mkpụrụokwu a, ọ bụ mọfịm ndabe, n'ihi na mpụtara ya na-adabe na mkpụrụokwu ọ nọ na ya. Ńzúkō pụtara 'to buy all' nke bụ ị zụkọrọ ihe mana abịa n'ahịrịokwu ọ nọ na ya, ọ na-ekwu maka ńzúkō ndị mmadụ.

4.2.3 Ụtọasụsụ maọbụ Sintaksị

Ndimele (1999) kwuru naSintaaksi bụ ngalaba lingwistiks nke na-ekwu etu maọbụ usoro mkpụrụokwu si anọkọ iji wulite okwu nke kacha ogologo. Aitchison (1992) kọwara na okwu a bụ sintaksị n'uche dị mbara na-ekwu maka ndokọ nakwa usoro mkpụrụokwu. Ọ bụ ngalaba asụsụ nke na-ewekọta usoro ụda nakwa mpụtara ya. Yusuf (1997) kọwara Sintaksị dịka ngalaba grama asụsụ nke na-ahụ ka mkpụrụokwu si abịakọta ọnụ iji mebe ahịrịokwu naka ahịrịokwu ahụ si enweta nkọwa maọbụ mpụtara chi ya n'asụsụ. Site na nkọwa ndị a nọ n'elu, o doola anya na Sintaksị bụ ngalaba amụmamụ asụsụ nke na-ahụ ka mkpụrụokwu; si abiakọta

ọnụ iji mebe ahịrịokwu dị mma. Na ngalaba a, ihe anyị ga-elebara anya bụ kandị mere ntụgharị si were ahịrịokwu toro ogologo mee ntụgharị.

> N'ahịrịokwu a, 'Gọvanọ Ugwuanyị mere ka amata na ụlọ ọrụ na enye akwụkwọ ikike akpọla ekwu nkụ ibido ọrụ, n'ekwu na agara igbochi ọnọdụ ahụ maọbụ na aka ndị govano dị n'inye akwụkwọ ikike. Na nkọwa enyere sintaksị, otu n'ihe ihe dị mkpa na ya bụ na ọ ga-enweriri ezi mwube ma nwekwa nghọta. Mana ahịrịokwu a dị n'elu dị oke ogologo ma nghọta ya edochaghị anya. Ọ bụrụ na-edere ya otu a 'Gọvanọ Ugwuanyị mere ka amata n'ụlọ ọrụ na-enye akwụkwọ ikike akpọọla ekwu nku ibido ọrụ na-ekwu na a gaara igbochi ọnọdụ ahụ… Ọzọ bụ 'minister okwu ọrụ ugbo na mmepe ime obodo dị n'aka, bụ Audu Ogbe n'okwu ya, oge o gara n'ugbo Ettem Amagu Rice farm dị na okpuru ọchichi ikwo di na steeti ahụ, kwuru na goment etiti bagidere mmachi ire osikapa mba ofesi'. N'ahịrịokwu a, ewepụ ọtụtụ ndehie niile e nwere na ya, o toro ogologo nke ga-eme na-agụpụta ya n'igwe ọ ga-agba ndị mmadụ gharịị.

O kwesịrị ka arụtụ aka na e kwesighị iji ahịrịokwu toro ogologo eme mgbasa ozi n'ihi ọ na-enye nsogbu na nghọta. Ndị na-anaghị aghọta ihe ọsọ ọsọ ga-enwe nsogbu iwekọ okwu ndị a ọnụ ma ghọta ya.

4.2.4 Semantiksi

Nke a bụ ngalaba lingwuistiksi nke na-amụ maka mpụtara mkpụrụokwu, ahịrịokwu nakwa nkebiokwu n'asụsụ. Ọ na-amụ ka asụsụ si enwe mpụtara. Site na nkọwa a, ọ ga-edo anya na ihe ọbụla ekwuru na-enweghị mpụtara abaghị uru. Otu a ka ọ dịkwa, mgbe ọbụla e mere ntụgharị na-enweghị mpụtara, anaghị enwe nzikọrịta ozi, n'ihi na uru kacha apụta ihe n'asụsụ bụ maka nzirita ozi ya na ime ka ihe okwuu na-ekwu doo ọnụụ anya maọbụ onye na-egere anya.

Anyị ga-elebanye anya n'akụkọ ụwa ndị atụghariri nke na-enweghị nghọta zuru oke dịka:

Akụkọ anyị sị Enugu na-eweta, na-eme ka amata na ndị uwe oji eguzobela ụlọ ọrụ ọhụụ…'.

N'akụkọ ụwa a, atụghariri n'abalị iri abụọ na asatọ n'ọnwa Ọktoba, site n'otu mkpụrụ okwu onye ntụgharị jiri mee ntụgharo mere ka nghọta maọbụ mpụtara ya rie mperi. Ọ bụrụ na onye mere ntụgharị a dere ya otu a *'Akụkọ anyị sị na Steeti*

Enugwu na-eweta, na-eme ka amata na ndị uwe ojii nke Steeti Enugu ewuola ụlọọrụ ọhụrụ…'. Ọ ga-ekwe nghọta.

N'akụkọ ụwa a tụgharịrị n'abalị iri na itoolu n'ọnwa Disemba afọ gara aga-e nwere nsogbu mpụtara dịka:
Umahi gave the assurance at a Christmas dinner organized for the state working committee of the PDP, as well as the local and zonal committee members at the Government House, Abakaliki. Na ntụgharị dịka ọ dị n'akụkọ ụwa, e nwere n'asụsụ Igbo, Umahii kwere nkwa a, na mmemme oriri ekeresimesi, achịkọbara ndi ọrụ otu komitii P.D.P nakwa ndị otu ọrụ na obi Goment na Abakaliki.

Ọ bụrụ na-elebanye anya na ntụgharị a e mere, a ga-ahụta na nghọta ozi a eziri na-efu efu n'asụsụ Igbo. Nke mbụ bụ na onye mere ntụgharị edetaghi aha onye a na-ekwu maka ya. Iji meek a mpụtara akụkọ ụwa a kwe nghọta, o kwesịrị ịdị otu : 'Uhami kwere nkwa a oge a na-eme mmemme oriri ekeresimesi nke a haziri maka ndị kọmitii P.D.P. na steeti nakwa ndị ọrụ kọmitii mpaghara ụlọ gọmenti dị n'Abakiliki. Nke a ga-ekwe nghọta.

The governor noted that for the party to succeed, member must shun bribe and embezzlement of party's funds.
Na nke Igbo ya, atụgharịrị ya dịka 'Ọ gakwaranihu wee kwue, na otu P.D.P. ga-aga n'ihu, bụ oge ndị otu ahụ, juru ngari, nakwa iri ego otu ahụ n'ụzọ aghụghọ. Ihe onye ntụgharị tụgharịrị abụghị ihe e dere n'asụsụ nzimozi. Iji meek a o nwee mpụtara nke ga-abụ na nwaafọ Igbo ọbụla gụrụ ya ga-aghọta ya, ọ ga-adị otu a 'Gọvanọ kwuru na, iji meek a otu ndọrọndọrọ ọchịchị a gaa n'ihu, otu ahụ ga-ahapụ idi na-eri ngarị nakwa ibukọ ego otu ha na nzuzo.

Abịa n'ahịrịokwu a "… o kwuru na-adọwara ngwa ahịa ahụ, maka nkesa dịka onyinye nyere Ohaneze na ekeresimesi. O nwere ihe na-ezughị oke nke ọ ga-abụ etinye ya, ahịrịokwu a e nwe nghọta zuru oke. O kwesịrị ịbụ '… o kwuru na-adọwara ngwa ahịa ahụ maka nkesa dịka onyinye e nyere ọhanaeze n'ekeresimesi.

4.2 Ngalaba sayensi asụsụ a na-ahụtakarị Nsogbu na ntụgharị na ya

N'ebe a, mgbakwasị ụkwụ ndị nchọcha ga-abụ na ngalaba sayensị asụsụ ebe a na-ahụtakarị nsogbu na ya mgbe a na-eme ntụgharị. E nwere ngalaba sayensị asụsụ

ndị a: Fonetiks, fọnọlọji, mọfọlọji, sintaksi, semantiksi nakwa ndị ọzọ. Ndị anyị ga-eji arụ ọrụ bụ ndị a:

4.2.1 Fọnọlọji:

Ikekeọnwụ (1997) kwuru na fọnọlọji bụ otu ngalaba amụmamụ na sayensị asụsụ na-amụ maka mkpụrụụda n aka e si eji ha arụ ọrụ n'asụsụ mba ụwa dị iche iche. N'ezie, fọnọlọji na-amụ maka ọdịdị mkpụrụụda na usoro nhazi ụdaasụsụ n'asụsụ mmadụ. Fọnọlọji na-agwa anyị ụda na mkpụrụụdaasụsụ ndị dị n'asụsụ anyị na ndị si esi bata na ya. Ọ na-agwakwa anyị ka e si eji mkpụrụụdaasụsụ dabara adaba wee mebee okwu site n'iwu na-achị asụsụ ahụ, nakwa ka esi eji okwu ahụ arụ ọrụ. Ọ na-elebanye anya na ndakọrịta ụdaume.

Dịka anyị kọwara ihe fọnọlọji bụ, anya-aga n'ihu ịkọwa na iwepụta nsogbu a na-enwe na ngalaba fọnọlọji ma a bịa na ntụgharị. Site na nchọcha a, okwu ndị a na-esote kwadoro ihe a na-ekwu maka ya."ndi ụka Muslim" n'okwu a nọ na ngudo, mmebe ya agbasoghị iwu mmebe okwu Igbo n'ihi na ụdaume òtú E na ụdaume òtú'A'etosighị ịnọkọ na mmebe maọbụ na mwube mkpụrụokwi ọkpụ Igbo.

4.3 Ka Nsogbu a si metụta nzikọrịta ozi

Uru asụsụ baara mmadụ bụ maka iji ya ezirita ozi, n'ihi nke a, ọ ga-abụ ihe riri mperi maọbụrụ na enye akụkọ ụwa ma ndị mmadụ aghọtaghị a. N'ihi ya, ọ dị ezigbo mkpa na onye ntụgharị ga-eji ezi asụsụ dabara adaba wee mee ntụgharị ya ka nghọta ihe a na-atụgharị wee pụta ihe ma dabakwa adaba.

Nsogbu ndị a niile ewepụtara n'akụkọ ụwa ndị a na-emetụta nzikọrịta ozi n'ụzọ dị iche iche. N'agbanyeghị na anaghị enwecha akwụkwọ akụkọ ụwa n'asụsụ Igbo, ndị a na-ere n'ahịa ka ndị mmadụ zụrụ ma gụọ, ọ na-adị mkpa ilebanyere ha anya tupu agụpụta ha n'igwe redio. Ọ bụrụ na-enwee ndehie na ntụgharị e mere, ọ ga-apụta ihe mgbe a na-agụpụta ya, bụ nke ga-eme ka nghọta ozi a chọrọ izi fue. N'agbanyeghị na mgbe ụfọdụ, ndị na-agụpụta akụkọ na-agụ ya nke ọma ma ọbụrụ na e nwere ndehie mana ọ bụghị mgbe niile ka ihe dị otu a na-eme. Ọ bụ ya mere na mgbe ụfọdụ a na-ege akụkọ ụwa, a na-anụta mkpọhie ụfọdụ okwu nke ga-eme ka onye nta akụkọ kwụsị ma kpọzie ya nke ọma.

Nsogbu ọzọ na-emetụta nzikọrịta ozi bụ iji olundị akọ akụkọ nakwa eme ntụgharị. Ọ bụghị mmadụ niile na-aghọta olundị ọzọ na-abụghị nke ha.N'ihi nke a, mgbe ọ bụla eji olundị mee ntụgharị, ọ bụkwa ya ka a na-agụputa, nke ga-eme ndị na-anaghị aghọta ya fue ụzọ. Onye na-amaghị ụfọdụ olundị agaghị aghọta mkpụrụokwu ndị a: member, efi, ayọla, nakwa ndị ọzọ.

Ijikwa okwu mbite na-emetụta nzirita ozi. Mgbe ndị okenye maọbụ ndị agadi na-ege ntị na redio, ha anaghị aghọta ọkwa ndị e ji okwu mbite dịka asụsụ bekee maa, nke ga-eme ka ha chọwa onye maara asụsụ bekee ka ọ kọwaara ha ihe akọrọ n'akụkọ ụwa. Ọ bụrụ na onye ahụ ahụghị onye na-aghọta asụsụ bekee, nke a edoola anya na nghọta ozi ahụ efuola ebe ebumnobi onye ntaakụkọ lara n'iyi n'ihi na-enweghị nzikọrịta ozi. Mgbe ọbụla e ji okwu mbite mee ntụgharị akụkọ ụwa, ọ bụ òtú ahụ ọ dị n'olundị ahụ ka a ga-esi agụpụta ya n'igwe okwu redio.

Ebe ọzọ a na-enwe nsogbu na nzikọrịta ozi bụ na ngalaba Sintaksi. Ọ bụrụ na ewere ahịrịokwu dị oke ogologo mee ntụgharị maọbụ gụpụta akụkọ ụwa, ọ ga-enye nsogbu na nghọta n'ihi na mgbe a ga-achọ ka aghọta nke a gụrụ agụ, onye nta akụkọ ga-agụgide ya ọzọ. N'agbanyeghị naanaghị eme nchọcha maka ọgụgụ ọzị, ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ya n'ihi na ọ bụ ozi ndị atụgharịrị ka a na-agụpụta. Ọmụmaatụ ya bụ nke a: *'Aka na-achị Enugu steeti bụ Gọvanọ Ifeanyị, Ugwuanyi, agwala ọrụ gọment etiti ka ha many endị ụlọ ji akwụkwọ ikike e ji eme ngwuputa coal na steeti, ka ha bido ọrụ maọbụ ewepụ ya bụ akwụkwọ ikike'*. Ahịrịokwu a dị ogologo.N'ihi ya, nke a ga-enye nsogbu na nghọta.

Nsogbu ọzọ nke kacha emetụta nzikọrịta ozi bụ Semantiksi. Mgbe ọ bụla eziri ozi nke na-enweghị mpụtara, ọ naghị abụ uru nanti ndị nụrụ ya. N'ihi nke a, apụghị ilepụrụ ngalaba a anya n'ihi na-ewepu ngalaba a, agaghị enwe nzikọrịta ozi.

4.4 Ihe ndị na-ebute nsụhie na-atụgharịtaghị Akụkọ ụwa nke ọma

Site n'ihe ndị elebanyere anya na nchọcha a, ọ dị mkpa ịrụtụ aka n'ihe ndị na-ebute atụgharịtaghị ozi maọbụ akụkọ ụwa nke ọma. Dịka e si kwuo na mbụ atụgharịtaghị akụkọ ụwa na-ebute agụtaghị akụkọ ụwa. Site na nsogbu ndị ahụtara n'akụkọ ụwa a, ihe ndị a ga-asị na ọ bụ ha mere anaghị atụgharị ozi nke ọma bụ:

iv. E nweghị ezigbo ọmụmụ gbasara asụsụ eji eme ntụgharị. Ọ bụrụ na onye na-eme ntụgharị maara asụsụ o ji arụ ọrụ nke ọma, mara iwu na-achị ya na ngalaba ọbụla, ọ gaghị enwe nsogbu.

v. E nweghị okwu kachasi eyite nke dị n'asụsụ nzimozi. Ọ bụrụ na-enwee akụkọ ụwa nke dị n'asụsụ bekee, dịka asụsụ nzimozi, ọ bụghị ihe niile dị na ya ga-enwe ihe o yitere n'asụsụ Igbo maọbụ asụsụ nnataozi ọzọ. Ọ na-adị mkpa ka onye na-eme ntụgharị bụrụ onye nwere ike ikewapụta okwu ọhụrụ site na mpụtara okwu dịka ndị nchọcha mere n'ọrụ a. Ọ bụ ahụtaghị okwu yitere nke dị n'asụsụ nzimozi kpatara onye na-eme ntụgharị ji eji okwu mbite nakwa olundị eme ntụgharị.

vi. Agụgharịghị ihe atụgharịrị tupu e jiri ya ziwa ozi. Ọ na-adị mkpa na mgbe ọbụla emere ntụgharị ka a gụgharị ya ma dezie ihe ndị edejọrọ. Ọtụtụ n'ime ndehie e nwere n'akụkọ ụwa a bụ etinyeghị akaranta n'ebe o kwesịrị ịdị, etinyeghị akara uhie n'ebe 'na' na-arụ ọrụ dịka enyemakangwaa. Ọ bụrụ na a gụgharịrị akụkọ ụwa e ji mee nchọcha a, ụfọdụ mperị a hụtara na ya, agaghị adị ya.

4.5 Ka a ga-esi mee ka nsogbu a belata maọbụ kwụsị

- Site n'ịgụgharị ntụgharị e mere tupu e buputa ya n'ọgbọ.
- Iji okwu yitere ibe ya eme ntụgharị. Nke a pụtara na nghọta ọ bụla e nwetara mgbe a gụrụ akụkọ ụwa dị n'asụsụ nzimozi, ga-adị n'asụsụ nnata ozi.
- Onye ntụgharị ga-agbalị ịdị na-ekepụta okwu ọhụrụ n'ihi na ọ ga-eme ka okwu dị n'asụsụ buo ibu.
- A ga-agbalị ịhụ na-agaghị enwe olundị.
- Ihe ọzọ bụ na mgbe ọbụla onye na-eme ntụgharị ji okwu mbite arụ ọrụ, ya gbalịa hụ na mkpụrụokwu ahụ ga-adị n'usoro asụsụ nnata ozi.
  Ọmụmaatụ: Plastic – pulasitiki, truck – tụrọkụ, computer – kọmputa, radio – redio.
- Onye ọbụla na-eme ntụgharị ga-agbalị ịhụ na ọ mara iwu na-achi asụsụ o ji eme ntụgharị nakwa ihe ndị ọzọ banyere asụsụ ahụ.

Nchịkọta NA NTỤNYE ARO

5.1 Nchịkọta nchọcha

Nchọcha a lebanyere anya na nsogbu a na-ahụta na ntụgharị akụkọ ụwa n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi Dream FMnke Steeti Enugwu. Akụkọ ụwa ndị e jiri mee nchọcha bụ nke dị n'asụsụ nzimozi na nke nnata ozi nke bụ asụsụ bekee na asụsụ Igbo.

Ebumnobi nchọcha a bụ iwepụta nsogbu ndị ahụ a na-ahụgasị n'akụkọ ụwa ndị atụgharị atụgharị, bụ nke ga-enyere ndị ntụgharị aka ịhụ ebe ha riri mperi na ntụgharị ha, ma lebara ha anya nke ọma. Nchọcha a, elebanyeghị anya na ntapịa akụkọ ụwa n'ihi nantapịa gụnyere ibufe ozi dị n'asụsụ nzimozi gafee na nke nnata ozi site n'iji ọnụ atapịa ya, nchọcha a lebanyere anya naanị na nke atụgharịrị site n'idetu ya n'akwụkwọ.

Nsogbu ndị kachasị pụta ihe na nchọcha a bụ iji okwu mbite, olundị atụgharị akụkọ ụwa nakwa ndehie nsiede n'ebe ọ dị ukwu mana ndị nchọcha gbalịrị ike ha ịhụ na edegharịrị ndehie ndị ahụ ma were okwu kwesiri ekwesi tinye n'ebe e nwere okwu mbite na olundị. Ejighikwa atụtụ ọbụla mee nchọcha a kama ihe ndị nchọcha ji bụ usoro nkọwa.

Ime ezigbo ntụgharị gụnyere mmadụ ịmara ihe ndị dị mkpa n'asụsụ o ji eme ntụgharị nke ga-enye aka imepụta ihe atụrụ anya ya na ntụgharị n'agbanyeghị ụdị ntụgharị a na-eme.

Apụghị ileghara uru ntụgharị bara anya n'ihi na ntụgharị dị ezigbo mkpa n'asụsụ ọbụla. Ọ bụ site na ntụgharị ka ihe ndị banyere omenaala asụsụ ndị si apụta ihe, bụ nke na-enye aka n'ọgụgụ akụkọ ụwa. Ntụgharị na-enye ego n'akụkụ onye mara ihe banyere ntụgharị nke ọma. A na-esitekwa na ntụgharị amụba okwu n'asụsụ nnata ozi site n'ikepụta okwu ọhụrụ. Ọ na-enyekwa aka na nzirita ozi site n'ịtụgharị ya n'asụsụ ndị nwe asụsụ ga-aghọta ya tụmadị ndị na-amaghị asụsụ nzimozi e jiri weta ozi ahụ. Ntụgharị na-ejikọ ọtụtụ ndị mmadụ.

5.2 Ịtụnye arọ maka nchọcha ọdịniihu

a) Onye na-eme ntụgharị ga-agbalị hụ na o nyere onye ọzọ ntụgharị ya ka olebara ya anya iji hụta mperi nke ya onwe ya na-apụghị ịhụta.

b) Ọ ga-adị mkpa ka ebido na-akụziri ụmụakwụkwọ nakwa ndị na-arụ ọrụ n'ụlọ mgbasa ozi ndịiche dị n'etiti olundị na asụsụ izugbe, ma kuziekwara ha otu e si etinye okwu ebitere ebite n'usoro ụtọasụsụ asụsụ nnata ozi.
c) Ndị na-eme nchọcha n'asụsụ Igbo ga-agbali ịhụ na ha wepụtara maọbụ kepụtara okwu ọhụrụ nke ga-enye aka na ntụgharị.

Edensibia

Adeaga, T. (2008).*Problems of Translating two Nigerian Novels into German.* Aeta Sci. Lang Cult 30(1), 67-70. Retrieved from http://www.thefreelibrary.com. Accessed 07/9/23.

Aitchison, J. (1992). *Linguistics*(4thed.). London: Hodder and Stroughton.

Andre, L. (Ed.) (1978).*Translation History and Culture.*London: Pinter Publishers.

Brisling, R.W. (1976).*Translation: Application and Research.* New York: Gardner Press Inc.

Catford, J.C. (1969). *Linguistic Theory of Translation.* London: Oụford University Press.

Dalbenet, J. (1977). *Comparative Stylistics of French and English: A Methology for Translation.* London: Routledge.

Dream FM 92.5 (2016-2017) News Bulletin from October 2016 – January 2017. Enugu.

Gutt, E.A. (2000). *Translation and Relevance.* Manchester: St. Jerome Publishing Company.

Hariyanto, S. (2009).*The Implication of Culture in Translation Theory and Practice of Poetry Translation.* ELE Journal, 2(1), 91-104.

Heidary, J. (2009). *Cultural and Linguistic Eọuivalence in Translation*.Edinburgh Edinburgh University Press.

Hervey and Haggins (1986).*Translation Studies.* Routledge: London.

House, J. (1997).*A Model for Translation Ọuality Assessment.* Tubingen: Gunter Narr.

Larson, M.L. (1998). *Meaning and Based Translation: A Guide to Cross Language Eọuivalent.* Unviversity Press of American.

Ndimele, O.M. (1999). *A First Course on Morphology and Syntaụ.*Port Harcourt: Emhai Books.

Newmark, P. (1981).*A Teụtbook of Translation.* Oụford: Pergamon Press.

Nwadike, I.U. (1977).*Theory of Practice of Translation.*Unpublished Lecture Note.

Nwaeze, M.N. (2014).*The Problems of Translating Igbo Proverbs into the English Language.* Diploma in Nigeria Languages Project, University of Nigeria, Nsukka.

Nwike, C.C. (2015). *Usoro na Nsogbu a na-enwe na Ntụgharị Iduuazi na Nsogbu a na-enwe na Ntụgharị Iduuazi: Chike and the River dika ebe Mgbakwasị Ụkwụ.* B.A. Project, University of Nigeria, Nsukka.

Pollard, A. (Ed.) (1911).*Records of the English Bible.* Oụford: Oụford University Press.

Soyoye, A. and Banigo, O. (2010). Soyinka's Death and Kings Horseman in Translation: A Critiọue of Translation Theory and Practice.*Journal of Nigeria Studies.* No.1. Retrieved from http://www.edu/nigerianstudies/articles/issue1/1-5. Accessed 10/9/2023

Sperber, D. and Wilson, D. (1986). *Comtemporary Translation Theories*. Routledge: London.

Steiner, G. (1975). *After Babel: Aspects of Language and Translation.* London: Oụford University Press.

Taylor, A. (1931). *The Proverb Massachusetts.* Harvard: Harvard University.

Venuti, L. (2008). *The Translators Invisibility: A History of Translation.* Oụon: Routledge.

Wilmer, K. (1995). *Problems of Translating Oral Tradition.*M.A. Thesis Abia State University, Uturu.

Yusuf, ORE (1997). *Transformational Generative Grammar: An Introduction.* Ijebuode: Shahiotimo Publications.